**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0244**

## *Ọnụ Ọgụgụ Isi nke 31-33 (amaokwu ndị ahọpụtara.)*

Ikpe Midian; Reuben na Gad rịọro ala n’ofè  n'ekweghị ekwesi nke Jordan; ndeko nke njem; iwu nke nnweta nke ala.

Chetakwa na anyị na-ahụ ihe gbasara ọgbọ ọhụrụ ndi nke gafetara n’ọzara. Ọtụtụ n’ime ha bụ ụmụ ntakiri mgbe ha malitere njem. Ufọdụ bụ ndị ulọ akwụkwọ nta, ụfọdụ bụ ndị ulọ akwụkwọ etiti, ebe a na amụbeghịkwa ufọdụ mgbe ha bidoro njem a n'ozara. Chineke na-akwado ọgbọ ọhụrụ a maka nbanye ha n’Ala Nkwa ahu.

I chetara ndị Midian, sonyeere ndị Moab ikwu Belam ụgwọ ka ọ bụọ umụ Izrel ọnụ ma mesịa ghogbuo ha ka ha fewe arụsị na omume rụrụ arụ. Naanị nwanyị a kpọrọ aha na aghụghọ a bụ Cozbi, Onye Midian (Ọnụ Ọgụgu. 25: 6–16). Mgbe nke a gasịrị, Chineke nyere ndị ya iwu,

17 Kpaḅue ndi Midian, tiḅu kwa ha: 18 n'ihi na ha nākpaḅu unu n'aghughọ nile ha, nke ha ji ghọḅu unu n'okwu Peoa, na n'okwu kọzbi, bú nwa-nwayi onye-isi Midian, nwa-nne-ha nwayi, nke etiḅuru n'ubọchi ihe-otiti ahu n'okwu Peoa.
[Onụ Ọnọgụ. 25: 17–18).

Midian n'ọzara bụ ụdidị nke ụwa. Nye nwa Chineke, a ga-enwe nkewapu nke ime mmụọ nye ụwa taa.

IKPE NKE MIDIAN

Ugbu a, anyị n'abanye n’ọrụ ikpeazụ Mozis rurụ. Mgbe anyị rutere na Deuterọnọmi, anyị ga-ahu ọrụ ikpeazụ nke Moses. Otu n'ime ọru ya nke ikpeazu bu agha a megide ndi Midian.
Lee Ọnụ Ọgụgụ 31: 1-8:

1 Jehova we gwa Moses okwu, si, 2 Bọrọ umu Israel ọ́bọ̀ n'aru ndi Mdian: emesia agāchikọta gi na umu-nna-gi n'ala-mọ. 3 Moses we gwa ndi Israel okwu, si, Sinu n'etiti onwe-unu jikere n'onwe-unu ndikom isoro usu-ndi-agha, ka ha we megide Midian, ibọkwasi Midian ọ́bọ̀ Jehova. 4 Nnù ndikom abua na ọgu iri n'ebo n'ebo, n'ebo nile nke Israel, ka unu gēzigara usu-ndi-gha ahu. 5 Ewe si n'usu nnù abua na ọgu iri nile nke Israel rara nnù ndikom abua na ọgu iri nke ebo ọ bula nye, orú nnù na nnù iri ejikere iso usu-ndi-agha ahu. 6 Moses we ziga ha, nnù ndikom abua na ọgu iri nke ebo ọ bula, isoro usu-ndi-agha, ha na Finehas nwa Eleeza, bú onye-nchu-àjà, isoro usu-ndi-agha, ihe nile nke ebe nsọ Chineke na opì abua ọ gāfù idasi uda ike di kwa n'aka-ya. 7 Ha we buso Midian agha, dika Jehova nyere Moses iwu; ha we ḅue nwoke nile ọ bula. 8 Ndi-eze Midian ka ha ḅu-kwa-ra, tiyere ndi-ha eḅuru eḅu; bú Evi, na Rekem, na Zua, na Hua, na Reba, eze ise Midian: ha were kwa mma-agha ḅue Belam nwa Beoa.

Ugbu a Chineke n'enye Mozis iwu ka ọ buso ha agha. Ọ ga-abọrọ Izrel ọbọ. Ha ga-emesi ha ike.

Mozis zipụrụ puku ndi agha iri na abụọ ịga agha, otu puku ndi agha site n’ebo ọ bụla. Ihe ndị dị nsọ, arịa ụlọ ndị dị na ụlọikwuu ahụ, ga-eso gaa, igosi na agha a bụ agha ime mmụọ.

Nwoke ahụ gọziri ụmụ Izrel ugboro atọ mechara bụru onye wetaara ha ọbụbụ onụ, ma ya onwe ya. Onye ohụ uzọ Belam (Ọnụ Ọgụgu. 31:16) bụ ihe mmụta dị egwu banyere otu iji ọkụ gwuo egwu nwere ike iduba n'ire ọkụ.

Belam jiri ọkụ gwuo egwu mgbe O gere ntị na onyinye ọnwụnwa nke Belak, eze Moab (Ọnu Ogụgu. 22: 16–17). Belak chọrọ ka Belam bụọ Izrel onụ Mana Onye nchụàjà a gọziri ndị nke Chineke ugboro atọ (23: 7–11, 18–25; 24: 3–10).

Otú ọ dị, o doro anya na Belam echefubeghị onyinye Belak. Mgbe omechara laghachi n'ụlọ, ọ cheputara echiche mara mma. Chineke machibidoro ya onwe ya ibu Israel onụ; Mana obụrụ kwanu na umụ Israel wetara onwe ha ọbụbụ onụ? Iji mee nke ahụ, o doro anya na Belam gwara Belak ka o jiri ụmụ nwanyị Moab nwaa ụmụ nwoke Israel Ka  ha duba ha n'ikwa Iko  na ikpere arụsị (25: 1–3; 31: 15–16).

Israel dabara n’ime mmehie ma “ ha wee kpalie oke iwe nke Chineke,” nke butere ihe otiti (25: 3, 8–9). Anyị amaghị ụgwọ ole a kwuru Belam  maka nkata a. Mana mgbe Israel mesịrị merie ndị Midian, e gburu Belam dị ka onye iro - n'agbanyeghị ngọzi ndị gara aga o kwupụtara (31: 8).

Ọ bụghị naanị Belam bụ onye ọkụ rere nihi iji ya gwuo egwu. N'ịhi iji ikpere arusi gwuo egwu ọzo, ndị Hibru wetara iwe Chineke n'isi ha, nke kpatara ọnwụ mmadu 24,000 (25: 9). N’otu aka ahụ, ndị Moab na ndi Midian tara ahụhụ n'aka ndi agha Israel (25: 16–18; 31: 1–18).

Olee udị ọkụ ina eji egwú egwú? Ikwa iko? Iri ego? Igwaru ihe ime mmụọ na nkà mmụta okpukperechi? Ọ bụrụ na ị na-eme ihe gafee ogugo idị Nsọ, lezie anya! “Chineke ayi bu oku n'ere ere” (Ndi Hibru. 12:29).
Lee Ọnụ Ọgụgụ 31: 14-16:

14 Moses we wesa ndi-nlekọta usu-ndi-agha ahu iwe, bú ndi-isi usu nile nke nnù
ndikom abua na ọgu iri na ndi-isi usu nile nke ọgu ndikom ise, ndi nēsi n'usu-ndi-
agha nke agha ahu bia. 15 Moss we si ha, Ùnu emewo ka ndinyom nile di ndu? 16
Le, ndia buru umu Israel, n'okwu-ọnu Belam, ihe nēweta nmekpu megide Jehova
n'okwu Peoa, ihe-otiti ahu we di n'etiti nzukọ Jehova.

Ihe nmuta di mkpà nke isi akwụkwọ a bu na o na akpo oku ka anyị kewapu onwe anyị site na uwa. Ebee ka I na eje ije? I na-eje ije n'ìhè ahụ? I no n'okwu Chineke? Gi na Kraist o na emekorita? Nke ahụ bụ ihe dị mkpa nye nwa Chineke ọbụla.

ISI NKE 32

Isi akwụkwọ a na-agwa anyị gbasara agbụrụ ndị obi n'esighi ike. Reuben, Gad, na okara ebo Manasseh rịọro ala n'ofe na-ekwesighi ekwesi nke osimiri Jordan.

Ihe a mere nwere ọtutu ihe ime mmụọ nye anyị, dika anyị na-atụle Osimiri Jọdan dị ka ụdị ọnwụ na mbilite n'ọnwụ nke Kraịst.
Lee Ọnụ Ọgụgụ 32: 1-19:

Reuben na Gad rịọro ala n'ofe na-ekwesighi ekwesi nke Jordan

1 Ma umu Reuben na umu Gad nwere ọtutu anu-ulo, ha riri nne nke-uku: ha we hu
ala Jeza, na ala Gilead, ma, le, ebe ahu bu ebe anu-ulo; 2 umu Gad na umu Reuben
we bia, gwa Moses, gwa kwa Eleeza, bú onye-nchu-àjà, gwa kwa ndi-isi nzukọ
Israel, okwu, si, 3 Atarot, na Dibon, na Jeza, na Nimra, na Heshbon, na Eleale, na
Seban, na Nebo, na Beon, 4 bú ala nke Jehova tiḅuru n'iru nzukọ Israel, ala anu-ulo
ka ọ bu, ma ndi-orù-gi nwere anu-ulo. 5 Ha si kwa, Ọ buru na ayi ahutawo amara
n'iru gi, ka enye ndi-orù-gi ala nka ibu ihe-onwunwe; emela ka ayi gabiga Jọdan. 6
Moses we si umu Gad na umu Reuben, Umu-nne-unu, hà gābà n'agha ahu, unu
onwe-unu ewe nọdu n'ebe a? 7 Ọ̀ bu kwa n'ihi gini ka unu nēme ka obi umu Israel

ju igabiga ba n'ala ahu Jehova nyeworo ha? 8 Otú a ka nna-unu-hà mere, mḅe m'siri n'ala Kedesh-banea ziga ha ihu ala ahu. 9 Ha we rigorue ndagwurugwu Eshkol, hu ala ahu, we me ka obi umu Israel si, É-è, si na ha agaghi-abà n'ala ahu nke Jehova nyere ha-ri. 10 Iwe Jehova we di ọku n'ubọchi ahu, Ọ we ṅua iyi, si, 11 Ndikom ahu ndi nēsi n'ala Ijipt rigoputa, site n'onye ḅara orú arọ we gaba n'iru, ha agaghi-ahu ala ahu ma-ọli nke M'ṅuru Abraham, ṅu-kwa-ra Aisak, ṅu-kwa-ra Jekob, iyi inye ha; n'ihi na ha esozughm n'azu: 12 ma ọ bu nání Keleb nwa Jefune, bú onye Kenizait, na Joshua nwa Nun: n'ihi na ha esozuwo Jehova n'azu. 13 Iwe Jehova we di ọku megide Israel, O we me ka ha nāṅaghari n'ọzara ọgu arọ abua, rue mḅe ọḅọ ahu nile, nke nēme ihe ọjọ n'anya Jehova, gwusiri. 14 Ma, le, unu ebiliwo n'ọnọdu nna-unu-hà, nmuba nke ndikom, bú ndi-nmehie, iwere idi-ọku ọzọ tukwasi n'idi-ọku iwe Jehova megide Israel. 15 Mḅe unu gēsi n'iso Ya n'azu laghachi, Ọ gārapu kwa ha n'ọzara nka; unu gēbibi kwa ndi nka nile. 16 Ha we biakute ya nso, si, Ogige ìgwé ewu na aturu ka ayi gēwuru anu-ulo-ayi n'ebe a, wu-kwa-ra umu-ntakiri-ayi obodo: 17 ma ayi onwe-ayi gējikere onwe-ayi je ọsọsọ n'iru umu Israel, rue mḅe ayi gēme ka ha ba n'ebe-ha: ma umu-ntakiri-ayi gēbi n'obodo ndia ewusiri ike n'ihi ndi bi n'ala ahu. 18 Ayi agaghi-alata n'ulo-ayi, rue mḅe umu Israel ketaworo, nwoke ọ bula ihe-nketa-ya. 19 N'ihi na ayi agaghi-esoro ha keta si n'ofè Jọdan we gaba n'iru, n'ihi na ihe-nketa-ayi abiaruwo ayi aka n'ofè Jọdan nka n'uzọ ọwuwa-anyanwu.

Lee òtù osi dị mfe ichefu ihe nmuta di n'ihe ndi gara aga. Mgbe umu Israel rịgooro ọzo n’Ala Nkwa ahụ, ebo abụọ n’ime ebo iri na abụọ ahụ rịọrọ Mozis aririo. Ha chọrọ ibi kpọmkwem ebe ha no — n’ala ịta ahịhịa mara mma nke dị n’ebe ọwụwa anyanwụ nke osimiri Jọdan — kama ịbanye n'ala nkwa ahụ. Ma Moses baara ha mba (Ọnu Ogugụ. 32: 6–15).

Ihe gbatara Moses n’obi bu ihe mere na Kedesh Banea afọ iri anọ gara aga (ch. 13–14). N’oge ahụ, umụ Izrel jụrụ ịbanye n'ala ahụ. Ha gere ntị na akụkọ ihere nke ndị nledo iri ahụ wee kpebie inwụ ebe ha nọ ma ọ bụ laghachi na ohu n'Ijipt (14: 1–4). Naanị mmadụ abụọ n’ime ndị nledo ahụ hụrụ ohere n'okpukpo oku Chineke kpọrọ ka ha banye n’ala ahu ma chupu ndị Kenan.

N’ihi enweghị okwukwe a, Israel nọrọ afọ iri anọ na-awagharị na Saịnaị ruo mgbe ndị niile jụrụ nkwa nke Chineke nwụrụ.
N’ichetara Reuben na Gad banyere akụkọ ihe a mere, Mozis na-eme ha ihe ihere ka ha wee sonyere ụmụnne ha, dị ka a ga-asị, “Lee anyị ọzọ! Unu dị ka nna unu hà, na-eguzogide ohere Chineke ”(32: 6–8). N'ụzọ dị mma, ebo abụọ ahụ gere ya ntị ha wee nwe nkwekọrịta (32: 16–24).

I nwere ihe nguzogide e wunyere n'ime gi maka egwu? Ọtụtụ ndị mmadu nwere. Inoro ebe nsogbu n'adighị di ka o na-aka adịri ọtụtụ mma karịa ipụ n'okwukwe, n'ihi na mgbe ufọdụ okwukwe n'enwe ihe egwú di ya. Ma akwukwo nso juputara na ihe omuma atu nke Chineke igozi ndi n'anaghị etu nsogbu egwú tukwasiri obi na nkwa ya:

33 Moses we nye ha, bú umu Gad, na umu Reuben, na nkera ebo Manase nwa Josef, ala-eze Saihon, bú eze ndi-Amorait, na ala-eze Og, bú eze Beshan, ala ahu, dika obodo-ya nile si di n'ókè-ala nile ha, bú obodo nile nke ala ahu buruburu. [Ọnụ Ọgụ. 32:33].

Ebo ndị a họọrọ ofe Jọdan na-ekwesịghị ekwesị enweghị ohere ịgafe Osimiri Jọdan.

Anyị kwesịrị ịmara, ndị enyi, na Osimiri Jọdan anaghị egosipụta ọnwụ anyị. Mgbe anyị rutere n'akwụkwọ Joshua, anyị ga-ahụ na ọ na-akụzi otu anyị si gafe Kenean. N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, ọ dị ebe abụọ nwa Chineke ga-ebi taa. I nwere ike ibi n’ọzara nke ụwa a ma bụrụ ogbenye ọnụ ntụ ime mmụọ, ma ọ bụ ị nwere ike banye na ngọzi nke ime mmụọ, nke Kenean na-anọchi anya ya. Ugbu a, olee otu anyị ga-esi gafee Jọdan wee banye n'ọnọdụ nke ngọzi ime mmụọ? Mgbe anyị hụrụ ụmụ Izrel ka ha na-agabiga Jọdan, anyị ga-ahụ nnukwu ihe mmụta abụọ dị ebe ahụ. Nkume ndị etinyere na Jọdan na-ekwu maka ọnwụ Kraịst. Nkume ndị ahụ e wepụtara na Jọdan na-ekwu maka mbilite n’ọnwụ nke Kraịst. Mu na gị na-enweta ngọzi ime mmụọ anyị site n'ọnwụ na mbilite n'ọnwụ Kraịst. Taa, anyị kwesịrị ịmata na e likoro anyị na Ya, anyị na ya bilikokwa. Anyị kwesịrị ịgụko na eziokwu na a na ejikota anyị na Ya. Anyi ga ewere onwe anyị nyefee Ya n'udi di otu ahụ ka mụ na gị nwee ike ịnata ngọzi ime mmụọ ndi bu nke anyị.
Ebo abụọ na otu ọkara agafeghị Jọdan. Nke a ọ rụpụtarala ha ọghọm? Eeh. Onye nwe anyị kwuru na unu ga-amata ha site na nkpuru ha. Mgbe Ọ nọ n’ụwa a, otu oge Ọ na-achọ isi n’etiti igwe mmadụ ahụ pụo, “Ha wee bịa n’ofe nke ọzọ nke oke osimiri ahụ, n’obodo ndị Gadarene” (Mak 5: 1). Ugbu a kedu ndi bụ ndị Gadarenes? Ha bụ ebo Gad, ndị bi n’ofe na-ekwesighi ekwesi nke Osimiri Jọdan. Mgbe Jizọs bịakwutere ha, ọ hụrụ ha ka ha na-azụ ezì, ị chetara. Ma mgbe Ọ gwọrọ nwoke mmụọ ọjọọ ji, ndị Gadarene gwara Onye nwe anyị Jizọs ka ọ hapụ obodo ha! Ha abanyela n'ọnọdụ dị mwute. Nke a na-emekari nwa Chineke nke na-enweghị ike ịgafe Jọdan wee banye n'Ala Nkwa ahụ.

ISI NKE 33

Anyị kwuru na mbụ na anyị enweghị ndekọ nke ihe ndị mere n'ime afọ iri anọ ha na-awagharị, ọ bụ naanị ihe ole na ole dịpụrụ adịpụ, mana nke a bụ ndekọ nke njem ahụ, ndekọ nke ebe ha mara ụlọikwuu.

Ndeko nke njem ahu

1 Ndia bu nbuli-ije umu Israel, ndi siri n'ala Ijipt puta, dika usu nile nke ndi-agha-ha si di, n'aka Moses na Eron. [Onụ Ogụgụ 33: 1].

Lee amaokwu ole na ole ga-egosi gị na ịgụ ihe a abụghị ihe na-atọ ụtọ.

25 Ha si na Harada bulie ije, ma ulo-ikwū-ha na Makhilot. 26 Ha si na Makhilot bulie ije, ma ulo-ikwū-ha na Tahat. 27 Ha si na Tahat bulie ije, ma ulo-ikwū-ha na Tera. 28 Ha si na Tera bulie ije, ma ulo-ikwū-ha na Mitka. [Onụ Ogụgụ 33:25-28]

Aga m akpọ nke a ezigbo ime òtù ihe. Anyị ga-achọ ịma ihe mere ebe ahụ, mana ọ nweghị ihe ekwuru gbasara ihe mere.

Mana, dika akuku akwukwo nso obula nwere oke ihe mmuta ime mmuo, otu a, isi akwukwo a nwere oke ihe mmuta ime mmuo nye anyi. Ọ bụ ezie na isi akwụkwọ a dị ka ukpụrụ, ọ naghị atọ ụtọ ịgụ, ọ na-ekpughe na Chineke hụrụ ma dekọọ ihe ọbụla ndị a mere. N'ezie, Ọ nọnyeere ha n'uzo niile nke ịgagharị n'ọzara.

Ya mere, anyị nwere ndeko nke njem ha. Ebe ọ bụla ha gara, mgbe ọ bụla ha mara ụlọikwuu, Ọ nọnyeere ha. N'ikwu eziokwu, ha esoghị Ya na-aga.

Nke ahụ bụ, obi ha nọ na nnupu isi megide Ya ọtụtụ oge. Ma Ọ dịghị mgbe ọ hapụrụ ha. Ọ dịghị mgbe ọ jụrụ ha.

Nke a bụ otu n'ime nnukwu eziokwu nke Okwu Chineke. "Agaghị m ahapụ gị ma ọlị, m gaghịkwa ajụ gị." Jizọs kwuru otu ihe ahụ na nmkparikota uka ya n'ụlọ elu, "Agaghị m ahapụ gị dịka ụmụ mgbei):" M ga-abịakwute gị "(John 14:18). Kedu òtù obụ? Site n'izite Mmụọ Nsọ. Mmụọ Nsọ bi n'ime onye ọbụla kwere ekwe. Ọ bụrụ na ị bụ nwa Chineke, ị gaghị enwe ike isi n'ebe O no pụo. Ọ gaghị ekwe ka ị laa. Ọ ga-eso gị gaa n'ụzọ niile. Anyị nwere ike sụọ ngọngọ, daa mba, ma gharipu. Anyị anaghị eso Ya dịka anyị kwesiri. Mana, ekele diri Chineke, Ọ n'eso anyị n'uzọ niile!

**Iwu nke inweta ala ahu**

Isi akwụkwọ a mechiri site na iwu nke Chineke nyere Moses mgbe Israel na-akwado ịbanye n'ala ahụ.
Lee Ọnụ Ọgụgụ 33: 50-56:

50 Jehova we gwa Moses okwu n'ala ihe nādighi nke Moab n'akuku Jọdan na nso Jeriko, si, 51 Gwa umu Israel okwu, si ha, Mbe unu onwe-unu nāgabiga Jọdan ba n'ala Kenean, 52 unu gānapu kwa n'aka ndi nile bi n'ala ahu ala-ha n'iru unu, unu gāla kwa nkume-ha nile nke emere ka ha yie ihe n'iyi, onyinyo-ha nile awuru awu ka unu gāla kwa n'iyì, me kwa ka ebe di elu nile tọbọrọ n'efu. 53 Unu gēnweta kwa ala ahu, biri nime ya: n'ihi na ọ bu unu ka M'nyeworo ala ahu inweta ya. 54 Unu gēketa kwa ala ahu n'ife-nzà dika abụru nile unu si di; ndi bara uba ka unu gēme ka ala-nketa-ha rie nne, ma ndi di ole-na-ole ka i gēme ka ala-nketa-ha di ntà: ebe ọ bula nzà ahu gāmara onye ọ bula, ọ gēnwe ya; dika ebo nile nke nna-unu-hà si di ka unu gēketa. 55 Ma ọ buru na unu anapughi n'aka ndi bi n'ala ahu ala-ha n'iru unu; ọ gēru kwa na ndi unu kwere ka ha fọdu site na ndi ahu gāghọ kwa obi-ogwu n'anya-unu, ghọ kwa ogwu n'akuku-unu, ha gākpabu kwa unu n'ala ahu nke unu onwe-unu nēbi nime ya. 56 O gēru kwa, na dika M'chère ime ha, otú a ka M'gēme unu.

Nke a bụ ihe ọtụtụ mmadụ, ọkachasị ndị nwere obi abụọ, n'aju ajụjụ gbasara ya. Ndị mmadụ na-ekwu na ha chere na ọ bụ ihe jọgburu onwe ya na ezighi ezi nye Chineke ka ọ gwa Israel ka o kpochapụ ndị bi n'ala ahụ, mgbe Israel na onwe ha nupụkwara isi. Ha n'ekwusike na n'ihi na ndị bi n'ala ahụ bụ ezi ndi na Chineke ichọ ịchụpụ ha adighị mgbaghara. Nke ahụ bu otu ndị - nweere onwe ha na ndị n'enwe obi abụọ na - ekwu ọtụtụ afọ. Okwere nghota na ndi nile nweere onwe ha taa bi na òtù ibe ala nke bu nke ndị ọzo n'otù oge ma anaghị m ahụ ka ha na-enyeghachi ihe nnweta ha nye ndị agbụrụ ahu ndị nwe ala ahu na mbu .

Soro m lee nke a nwa mgbe nta. "Jehova nwe ụwa, na uju ya niile; uwa na ihe nile bi n'ime ya "(Abuoma 24: 1). Nke a bụ ụwa Ya. Ọ na-enye iwu ihe a ga-eme. Ọ gwara Izrel ka ha baa n'ala ahụ ma bibie ihe onyinyo ha; ya bu, arusi nile ha. Ndị ọkà mmụta ihe ochie na-egwuputa ha taa. Ha ga-ebibi ihe oyiyi ha na agbaze agbaze. Ha ga-akwatukwa ebe dị elu ha. Ndị a bụ ebe ikpere arụsị ha ebe ha n'eme ihe ojọo nile di iche iche. Ndị Kenean nọ n'ọnọdụ di ala nke ime mmụọ. Ọ bụghị nanị na ha bụ ndị na-ekpere arụsị, ndị dị anya n'ebe ezi Chineke di ndu no, mana igba akwụna na mmehie ikwa iko bụ òtù ha si ebi ndu n'efekwa ofufe. N'ihi ya, oria n'efe efe bịakwasara nke Kenan.

Obodo anyị na-agba akwụna n'achọ ibelata oke ihe ojọo di na ikwa iko. Anyị nwere ọrịa na-efe efe taa, ihe otiti, ọ bụkwa nnukwu ihe egwu. Ọ na-emerụ agbụrụ mmadụ nnukwu ahu. Ndị Kenan a ọrịa juputara bi n'agbata uzọ nke ụwa. Ala ahụ bụ otu n'ime ebe amara ama n'ụwa. Ọ ka di otu ahụ taa; òtù ahu ka ọdị kamgbe; Echere m na ọ ga-adị mgbe niile. Ọ bụ ala gbaputara ihie, ndị agha nke ụwa a azokwala ije na ya. Uzọ azụmahịa nke ụwa gafere ala ahụ. Ndị Kenan zutere ọtutu ndi mmadu, ma ha na-ekesakwa ajọ ọrịa ha n'ebe niile. Ya mere, Chineke gaje itinye onye ohuru ga-ebi n'ala ahu. Ndị Kenean na-ebibi ihe nnweta Ya, ma ha na-emurukwa ndi ọzo ahụ; ya mere Chineke ga-achụpụ ha.

Abiala n'ebe m nọ, enyi m, ma sị na Chineke enweghị ikike ime nke ahụ. N'ezie, ọ bụ omume ebere. Chineke bibiri ndị Kenan n'ihi ọgbọ na-abịa. Ọ bụ otu ihe ahụ mere Chineke ji zite uju Mmiri ahụ — Chineke no na-echebe ọgbọ ndị dị n'ihu.

OKWU NCHIKOTA

Enyi m, akatọla Chineke. Anọla ikpe Chineke ikpe. Anyị enweghị ike ịchọpụta ihe niile metụtara ọnọdụ ọ bụla. Otu ihe anyị maara bụ na anyị agaghị enwe udo n'ụwa a ruo mgbe Onye isi Udo ga-achị. Ruo oge ahụ, Chineke ga-eji mba dị iche iche kpee mba ndị ọzọ ikpe.